*Ihe Nsoo Jehova Nwer*

# *Ike Okorobịa Na Oge*


## *By Rev. George Leon Pike Sr.*


*Ebiri ozi nkaa maka ike ya n'efu. Oburu na ichorokaria nkaa, detara ayi akwukwo site na adresi nkaa dina okpuru. Deputa kwa ole iga enwe ike ikesa site n'inye aka Chineke.*


**Published By**

**Grace Temple**
**1235 Locklin Rd**
**Monroe, GA 30655 USA**
**Web: www.GraceTempleOnline.org**
**Email: info@GraceTempleOnline.org**

**IBO9919T • Igbo/ibo • Youthful Days**

# *Ike Okorobịa Na Oge*

Agwara ayi nime okwu nke Chineke k'ayi cheta onye kere ayi n'ubochi nile nke okorobia ayi (Eccl. 12:1). Ayi nile ma na odigh ihe ageji tunyere mgbe okorobia. Mgbe mmadu di na nwata, juputa n'ike, ahu ike, na nmenme, ndu nadi uto na oge a. Cheta onye keworo gi n'oge a nile idi na okorobia, mgbe ubochi ihe ojoo akaghi eru, mgbe iga tughari ma si ha atoghim uto. Chineke si n'ime okwu Ya, Mu ga enwoghari okorobia gi. Mgbe amughariri ayi ozo, oge nwata ayi ewee bido ozo nime Chineke. Oburu na ayi ebiri ndu nime uwa site itukwasi obi na ikwesi ntukwasi obi nime Okwu Chineke, Oga juputa obi ayi na udo, ahu ike na oganiru; n'ihi osiri, karia ihe nile, ka ihe nile nagara gi nke oma ka inwe kwa ezi ndu, dika o nagara nkpuru obi gi nke oma. Chineke bu Muo nke Ndu, Onu na Okorobia ahu. Ya bu isi iyi nke Okorobia ahu.

Ayi na nu ukwe, "N'ime ala ahu ebe ayi nagaghi abu agadi" na "Anom n'ebi ugbua n'ime Kenan." Nkaa bu ezi a, n'ihi ayi agafewo site n' onwu baa na ndu, na Okwu nso nile nke Chineke nke bu Muo na Ndu, bi n'ime obi ayi ubochi nile, nedu ayi na nmeri ohuu nile. Agwara ayi k'ayi nuria mgbe nile, na ife Chineke bu onu, udo, na ezi omume n'ime Muo Nso, ya mere k'ayi nwe anuri n'ime Okwukwe ayi na Chineke, ma nuria kwa onu na ndu ebighi-ebi ahu Onyeworo ayi. Ayi abughikwa ndi nke uwa nkaa ozo, kama ayi bu ndi nke ebighi-ebi.

Okwukwe a nke Inok na Elijah matara gagbanwo ire ure ayi dika ayi na Chineke n'aga. O ga ekpochapu nriria, adighi ike na obi ngbu nile. K'ayi tukwasi Ya obi. Ikezi, ayi na Ekwensu puru ilu otutu agha, dika ugo, ayi n'enwoghari Okorobia ayi ubochi nile. Lee dikea bu ugo, ka osi agbasa nku ya di ike ebe ebili na ufufe nemegide ya. N'ebe odi, ha akarighi okwute nke igakwu elu ebe ihe nile n'egosiputa udo, n'elu karia nchegbu nile na egwu nile nke ndu. Gi agbala oso maka nmegide. Emere ya inwaputa ike gi zoro-ezo.

Dika nwata, ebirim n'ime obodo; dika imatara, ighaghi iwa nku maka ebe ochie anaedote oku ka owee kpoo oku. Tupu ayi agaa igbute nku ahu, ayi naga ebe ochie imu egbugbu a. Edoteghi okwute ahu imebi egbugbu, Kama ime ka uru nzuzo egbugbu ahu puta. Obu okwute ochie nke nmegide ahu ka anaechu iru ya, Nke weputara odi ezoro-ezo Ya, ma nwaputa ike nzuzo Ya.

Otua ka odi kwa n'ime ndu. Ihe nile naluko olu iwetara ndi huru Chineke n'anya ezi n'ihe. Nmegide nanwaputa nani ihe anyi bu, ma ona eweputa kwa Ya n'ihe bu odi Chineke nke bu nke Ya n'ime mmadu. Odi nile a nagbanwo ayi iburu otuto oyiyi Ya mgbe ayi nemeri onye iro nile site na okwukwe nime Jisos Kraist. Onweghi ebe njedebe. Moses meghere osimiri Uhie ma Joshua nyekwara anyanwu iwu. Otu Jisos Kraist di echi gara-aga, ka odi taa, ka oga dikwa rue mgbe ebighi-ebi (Ndi Hiburu 13:8). Gini ka anyi geme n'ime oge nke anyi a?

Kam kwuo nye umuogbede n'ubochi ayi, nebe Chineke no aro ole ibu adighi mkpa. Nkaa bu ubochi gi, umuogbede! Chineke ji ha alu ihe site mgbe igbeigbe. Na nso nso a agurum n' akwukwo ngbasa ozi otu nwata di ogu onwa etozuwo nke oma ibu nne, nke bu nani otu uzo ntozu nke Muo nye nwa amuru ohuu n'ime Kraist. Lee kwa nwa-ogbede ahu di n'ime Akwukwo Nsoo nke Chineke mere eze, mgbe mmadu nile daworo Ya ada. Okpoghachiri ndi mmadu azu nye Chineke. Osiri, nwatakiri ganedu kwa ha na mgbe ikpe azu. Umu-ntakiri ganedu kwa ndi muru ha. Mgbe otutu umuntakiri ganedu ndi muru ha rue n'ebe uwa neme ihe egwuru-egwu, ndi ozo genedu ha rue ngbaputa. Gini ka iga eme?

Odighi anya, n'ime nzuko na Denver, Kolorado, otu nwanta nke di ebe aro itolu, guzoro ma zie ozi na ntuzi otite mmanu nke Chineke, ndi mmadu juputara n'ebe nchu aja, ebe mu onwem n'ele anya n'anya mmiri. Osetiri aka nke Ya di oke onu na ekpere nye ndi n'adighi ike, mgbe Muo nke Chineke nejeghari n'uzo di egwu. Akwukwo Nso na kuzi na site na onu umu na anu ara, Chineke nwere ojija zuo oke. Odighi mkpa ka mmadu obula kuzi re gi, nihi ha gama M site n'otu nwanta gaba elu, nihi aga kuzi kwara ha maka Mu.

Mgbe nkwuzi ga na Miama nke Florida, Chineke mere kam nwee oghere ihu otu ihe iribe ama Ya ka oneme. Otu nwa nanu ara, ruru inwu, ndu ya nile ka agbanwere site otu iribe ama nke Chineke. Akwukwo nzisa ozi buru akuko a, ma okuru ndi dibia ogbi. Oge odi aro asaa, Chineke kwuru nye nwanta a, ma dugaa Ya gburugburu-mba nile n'ike ichu nta ngwolite na igbasa ozi na ikuku (Radio). Ogabu na nnu kwuru nnu mmadu abiakwutewo Chineke site onye ngwolite a dike. Chineke zipuru Ya n'olu site na Muo Ya. O neme kwa ndi nejere Ya ozi ka ha buru oku nenwu enwu. O, Hallelujah! Gini bu Chineke anyi nefe! Dika ukwe nasi "Ka ayi too aha ebube nke Jisos". Akwukwo Nso nakuzi si Nkume geti nkpu oburu na anyi ekpuchie onu anyi. K'anyi jaa Ya nihi olu dike Ya nile. Onye nwe anyi nke usu nile nke ndi agha, dike n'agha! Nwa agbogho nta, Chineke nechere iji gi alu olu; nwa ogbede neso, kwe Ya ka obata, O choro igbanwo ndu gi nile, nacho kwa ikpo gi n'ozi a dike bu nke ngwolite, ka eji mmanu anuri tee gi karia ndi ozo. Ha gebikwasi ndi nriaria aka, ageme kwa ka aru ha di ike. Nkaa bu onye kwere ekwe, ma ha bu nwoke ma obu nwayi. Otutu olu ebere na onyinye nke Muo diri ndi gekwe. Unu ndi ntorobia kam si lee Devid nke bu nwata n'azu aturu n'agiga ugwu. Chineke si Devid m'geme gi eze oburu na itukwasi m obi. Cheta, Chineke N'ejide nkpuru obi eze n'aka Ya ma n'atughari kwa ya ebe nile Ya ochoro dika iyi juputara mmiri.

Site otite mmanu dike nke Chineke, Devid gburu otu nwa odum. O guzo gidere odum n'agbo uja iru na iru ma ike ya adaghi. Dika Daniel n'ime olulu odum, dika umu ndi Hibru n'ime oku nere ere, emume ha di oke ike, nke mere ka ala eze nile na iwu ala ha nile wee gbanwuo buru nke Chineke si eme ihe. Anyi lekwasiri iru igbanwo mba nile.

Dika Devid zutere Goliath, Onye nmeri ka oburu woro n'anya mmadu nile. Mgbe mba nile nama jijiji nugbo nke Goliath, Devid yiri

okwukwe ya na ntukwasi obi nime Chineke wee merie, nihi obu agha nke onye nwe anyi ka Akwukwo Nso n'ekwu. Oso a abughi nke ndi di gara-gara, agha a abughikwa nke ndi di ike, kama nke Chineke onye n'alusi ihe nile ike dika izu nke ochicho Ya si di. Uwa di na ihe ngbu di ukwu, nechere ngosiputa nke umu Chineke nihi, na mgbe ikpe azu, ka Chineke kwuruu, M'ga wusa Muom n'aru anu aru nile bu mmadu umu unu ndi nwoke na nwanyi gebu kwa amuma, umu okorobia umu gahu kwa ohu, Ndi okenye unu ga aro kwa nro.

Lee olu di ike nke Samson, onye nnaputa dike nke Israel. Site otite mmanu nke Chineke, ike ya diri ukwuu, o wee jiri okpukpu agba inyinya ibu gbuo nnu ndi nwoke abua na ogu iri. Dike odum biaworo izuta ya, o wee dowa ya dika obu nwa eghu. Lee otu onye n'enye kari Devid nsogbu, omabaworo n'ime olulu odum wee gbuo odum a. Lee Jonathan, otu nwoke na onye nebutere ya ngbo tughariri mba Filistia nile site na ntuzi aka Chineke.

Gini ka nani otu onye puru ime site na otite mmanu nke Chineke? Samson kwadara ogidi nile nke ulo site ike nke Chineke nyere ya nke onwere. Moses guzoro nelu ugwu nere oku n'iru nke Muo Nso, ma tugharitara uka ya na Chineke nihi okwukwe. Okwukwe gi nime Chineke di oke ike nke bu na opuru ikwagide ntuala nke uwa. Nani idi nta dika okwukwe gi.

Dika mmadu si eche echiche n'ime obi ya, otu ahu ka odi, Akwukwo Nso gwara anyi. Dowapu site na otu ochie ndi gi naha gbakuworo. Ka Chineke zipu gi nime uwa nile dika onye ama. Hu ala nke ndi nekweghi ekwe site na okwukwe. Chee Chineke ka omee uzo. Ndi di nime ochichiri no nechere onye ngbaputa ha. Igakwada ogbo gi? Akwukwo Nso siri na ndi nanodu kwa n'ala onyinyo onwu, ndia ka ihe walitere. Cheta na azu ochie obula nwuru anwu puru iso ebili mmiri nadighi ndu, kama apuru iwere ume na ike ji luputa uzo gi site na iru inyi nke Chineke n'asachapu gi site na mmiri nke oge. Puta site na ndi otu gi ochie na nruro ruru inyi ha, Jezebel nile etere agba, nke bu nani ihe nabaghi ihe, ndi Ekwensu tere mmanu ikputara ya ezi umu nwoke na umu nwanyi na oku Muo. Kwe ka Chineke nye gi ike nke ikwe idi Nso dika ukwe, ma obu ozi nke nzisa ozi, mgbe ona egosiputa gi nye uwa. Kwe ka Chineke nye gi onyinye nke olu ebube, ibu amuma ma obu ogwugwo nso. Kwe Ya ka onye gi ozi nke inye-enye nke onye dere ya kwuru gbasara, ka onye gi ihe mgbe nile inye pu. Chineke ga agozi gi nke ukwu site oganiru na ahu ike.

Igaputa kwa site n'ebe idebe ezi nke uwa ma kwusi itughari n'ime apiti? Dika nwa nkpafu ahu ejila nkpo nkpuru nri emere make ezi enye ju onwe gi afo. Odi ndu aririo nke a bu nani omuma atu, Udi, na onyinyo nile, mkpo nke ezi nkpuru nile nke nkpughe n'eto nime. Anyi ejeruwo awaa (hour) nke owuwe ihe ubi ahu. Jisos siri na obu ogwugwu nke uwa. Ozi nke ndi Muo ozi Ya abiawo ugbua igho nkpuru a, ibu kwa otu nime ya?

Chineke genyezu gi ihe nile obula nakpa gi dika aku Ya n'ebube si di. Oburu na Ya diri anyi, onye nemegide anyi? Oge naga biga. Gini bu nkpebi gi? Jisos nabia osiso. Oburu na ochere, iga eme okenye osiso. Otutu aro nke nriria na ohu, nke nkwa ego nile emere site na ochicho nke anu ahu, ga apunari gi mmeri nke ozi gi nile. Choo ala eze nke Chineke ihe ndia nile ka aga atukwasiworo gi. Chineke nakpo Samson Ya nile, Devid Ya nile na ndi nwanyi nile Ya di ukwuu dika Esta. Ndi amuma nile nwoke na nwanyi n'otu aka ahu ka ejiworo idi ike tee mmanu n'ime otutu aro ndi gara-aga. Mba nile na makwa jijiji, uwa nile naba n'oke nkpatu nke nriria, ekweghi ekwe na uko. Dika Goliath, Ekwensu na anochi agbata eluigwe na uwa eyinye ndi mmadu egwu. Chineke nasi, "onye kam gedupu? O nye ge jere M? Ona si, M'genyi gi ike di ukwuu odighi ihe obula ga eguzo gi n'iru ubochi nile nke ndu gi. M' gaghi arapu ma obu juu gi ma oli. M' ga enyezu ririgi ihe nile obula nakpa gi dika aku M n'ebube si di." Ozo asim, oburu na Chineke diri anyi, onye nemegide anyi? Ipuru ikwu dika ndi amuma mgbe ochie si, "Ebe a kam di onye nwe anyi, zigam"? Akpowom gi ka inabata onye nwe anyi Jisos dika onye nzoputa gi taa. Ka Chineke gozie gi bu ekpere m.

Rev. George Leon Pike Sr.

Founder and first President of Jesus Christ's Eternal Kingdom of Abundant Life, Inc.